# NRI AHỤ NKE NÁENYE NDỤ
## Jọn 6:22-65
### IHEỌMỤMỤ 94 – Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Jisus siri ha, Mu onwem bu nri nēnye ndu" (Jọn 6:35).**

**Ịchọ Jisọs**

Mgbe Jisọs jiwororị ogbe achịcha ise na azụ abụọ mee ka afọ ju ihe ra ka puku mmadụ ise n'ụzọ dị ebube, ma mee kwa ndị nrịanrịa ka arụ ha dị ike, O zilagara ìgwè mmadụ ahụ. Ọ gwara ndị náesoụzọ Ya ka ha buru Ya ụzọ gabiga n'ofè nke óké osimiri Galili, ma Ya Onweya nọdụrụ ikpéekpere. Ma mgbe ebilimmiri na ifufe naamagharị ụgbọ ahụ nke ndị náesoụzọ Ya nọ, Jisọs jere ijè n'elu óké osimiri wee bịakute ha. Ọ chụpụrụ egwù ha mee kwa ka ebilimmiri ahụ dajụọ.

N'echi ya ìgwèmmadụ ahụ wee laghachi náachọ Jisọs. Ndị náesoụzọ Ya ewereworị náánị otù ụgbọ dị n'ebe ahụ gabiga, ma Jisọs nọdụrụ ikpéekpere. Ìgwèmmadụ ahụ amataghị na Jisọs nọ n'ofe nke ọzọ nke óké osimiri ahụ ebe ndị náesoụzọ Ya nọ. Ụgbọ ntà dị icheiche sitere na Taibirias bịa; ma ebe ìgwèmmadụ ahụ achọtaghị Jisọs, ha onwe ha bara n'ụgbọ ntà ahụ dị icheiche, ịga Kapanaum bụ obodo nke aka Jisọs (Matiu 4:13).

N'ikpèazụ mgbe ha chọtara Jisọs, ha wee jụọ Ya otú O si bịarue n'ebe ahụ, ebe ndị náesoụzọ Ya werewooro náánị otù ụgbọ fọdụrụ, ọzọ kwa, iji ụkwụ gaa óké osimiri ahụ gburugburu dị anya nke ukwuu. Ọ bụ ezie na ha ahụwo iheịrịbaàmà dị icheiche Jisọs mere n'oge garaaga, ma ha aghọtaghị omimi nke ike Ya nkeọma.

N'oge a, Jisọs ejighị kwa nri nke náadị nwa oge zụọ ndị ahụ, kama Ọ malitere ịgwa ha okwu Chineke na inye ha nri nke mmụọ. Ọ matararị ihe mere ha ji náeso Ya. Ọ bụghị n'ihi na Ọ bụ Ọkpara Chineke. Ọ bụghị n'ihi na ha hụrụ ihe ịrịbaàmà dị icheiche O mere ha wee kwere na Ya, kama ọ bụ n'ihi na O nyere ha iheoriri, afọ wee ju ha.

**Nri nke Náadị gide Rue Ebighị ebi**

Jisọs baara ha mbá n'ihi na ha naatụkwasị uche náánị n'ihe naadị nwa oge, wee gwa ha ka ha naalụ ọlụ ịnata ihe nke mmụọ, nke naadịgide rue ebighịebi. Kwa ụbọchị ụmụmmadụ naadọgbu onweha n'ọlụ n'ihe nke ụwa nke gaala n'iyi. Ha naatụfu oge rinne nye ọlụ ubi, ịzụta na idozi iheoriri, nke náadịghị adịgide. Ngwangwa erichara ya, echefue ihe banyere ya, maọbụ ọ laa n'iyi. Apụrụ ime ka iheoriri ghara ịla n'iyi náánị nwa oge site n'ịmị ya n'ọkụ, itenye ya na mkpọ maọbụ itinye ya na friji. Ọbụná otú a, agwara anyị na site n'idebe iheoriri n'ụzọ dị otú a, ọtụtụ ihe bara urù nime iheoriri ndịa na emebi. Ndị naeji nchepụta dị icheiche nke mmadụ gbanwee nri nke mmụọ naebibi urù dị ná nri ahụ nye mmadụ. Anyị chọrọ Baịbụl; dịka Chineke nyeworo ya; anyị chọrọ ka ọ dịgide n'ụdị Mmụọ Nsọ jiri tụgharịa ya na mbụ náetinyeghị ntụgharị nke mmadụ.

Jisọs naekwu okwu banyere nri nke mmụọ nke náadịgide rue ebighebi, nke oge naadighị ebibi. Ọ dighị ọgwụgwọ dịrị ebe o si apụta. Site na mmalite oge rue ugbu a ụmụ mmadụ eriwo nri a, ha naaga kwa n'iru náeri ya karị, wee náadị kwa ndụ nke imemmụọ, ma otú ọ ra ka ọ ra kwa. Ọ bụghị náánị na Okwu Chineke naadịgide kama ọ naenye ndị niile náeri ya ndụ. "N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otú a, na O nyere ọbuná Ọkpara Ọ muru nánị Ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ịla n'iyi, kama ka o nwe ndụ ebigh-ebi" (Jọn 3:16).

**Ịlụ Ọlụ nke Chineke**

Jisọs sịrị ka mmadụ ghara ịlụ ọlụ n'ihi inweta náánị nri náadị nwaoge, kama lụọọlụ inweta nri nke mmụọ. "Burunu uzọ chọ ala-eze Ya" (Matiu 6:33). Ìgwèmmadụ ahụ jụrụ ihe ha gaeme ka ha wee náalụ (ime uche maọbụ idebe) ọlụ Chineke. Jisọs zara sị ha na ịlụọlụ Chineke bụ mmadụ ikwere na Ya bụ Onye ahụ Nke Chineke zitere. Ụfọdụ naeduhie onweya, n'ihi na ọ dighị onye ọ bụla pụrụ ime ihe náatọ Chineke ụtọ maọbụ ịbà n'Eluigwe site n'ọlụ. Ọnụahịa ya bụ otù nye onye ọ bụla. "N'ihi na ọ bụ amara ka ejiworo zọpuata unu, site n'okwukwe; nka esitegh kwa n'onwe-unu: ọ bu onyinye Chineke: o sitegh n'ọlu, ka onye ọ bula we ghara inya isi" (Ndi Efesọs 2:8, 9).

**Ndị Náachọ Iheị rị baàmà**

Ndị ahụ matara na ha kwesịrị ikwere na Jisọs, kama ha naachọ iheịrịbaàmà niile gaeme ka ha kwere na Ọ bụ Onye ahụ Nke Chineke zitere. Gịnị ọzọ ka Jisọs gaeme? O mewo ka arụ dị ndị nrịanrịa ike, mee kwa ka ebilimmiri dajụọ, ma mee kwa ka afọ ju ìgwemmadụ n'iru ha. Ònye pụrụ ime ihe ndịa, ma ọ bụghị Ọkpara

Chineke? Ụfọdụ mmadụ taa naachọ ka Jisọs nye ha iheịrịbaàmà, mgbe ihe dị ha gburugburu bụ iheịrịbaàmà dị ndụ. OnyeKraist ọ bụla bụ ihe ịrịbaàmà nke ike Jisọs, ịgbaàmà ọ bụla bụ kwa iheịrịbaàmà nke ọlụ ebube Ya dị icheiche. Ọtụtụ iheịrịbaàmà dị icheiche dị ụbọchị taa, dịka ha dị n'oge ijéozi nke Jisọs, ma ọ bụrụ na ndị mmadụ naachọ ịhụ ma kwere kwa na ha. Ndị ka n'ọnụọgụgụ n'etiti mmadụ naachọ ịnata ihe náadị nwaoge n'aka Chineke, ma olenaole ka ha dị bụ ndị náachọ ịnata ngọzi nke imemmụọ dị icheiche.

**Manna N'ọzara**

Ìgwèmmadụ ahụ chetara otú Jisọs si mee ka afọ ju ha n'oge garaaga; ma náenweghị obi abụọ ha naachọ kwa ogbe achịcha na azụ ọzọ; n'ihi na ha gwara Jisọs na emereri ka afọ ju Ụmụ Israel n'ọzara (Ọpupu 16:12-16); enyere harị Manna, nri nke sitere n'Eluigwe (Abù Ọma 78:24, 25). Ndịa jụrụ ịghọta ihe manna ahụ pụtara n'ezie. Náánị ihe ha chọrọ bụ nri nke gaeme ka agụụ nke anụarụ kwụsị, ma ha elefuru nri nke mmụọ anya.

**Jisọs, Ezi Manna ahụ**

Mgbe Jisọs malitere ịgwa ìgwèmmadụ ahụ okwu, O gosịrị ha ihe Ya Onweya bụụrụ ha na ihe Ọ bụkwaara anyị taa. Ọ bụghị Moses nyere Ụmụ Israel manna kama ọ bụ Chineke zitere ya. Ma manna ahụ bụ náánị ụdị ezi nri nke Chineke zitere (Jọn 6:32). Ụmụ Israel eriwo manna ahụ ma n'oge akàrààkà ha anwụrụwo. Ugbu a, Chineke nwere nrị nke ka mma, n'ihi na ezi Manna ahụ nke sitere n'Eluigwe naenye ndụ -- ndụ nke imemmụọ (amaokwu 49, 50).

Ìgwèmmadụ ahụ rịọrọ ka enye ha ụfọdụ site ná nri ahụ náenye ndụ. Jisọs wee gwa ha na Ya Onweya bụ ezi Manna ahụ. Nri nke sitere n'Eluigwe, maọbụ nri nke mmụọ (amaokwu 51). Ha aghọtaghị okwu ahụ. Nwoke a, ọbụghị Nwa onyeọkà? gịnị kwa mere Ọ naasị na Ya sitere n'Eluigwe bịa? Ọ sịwo na anụarụ Ya bụ nri ahụ. Òlee otú ha gaesi náeri arụ Ya? Ka ha naajụ.

**Okwu ahụ Dị Mkpà**

Jisọs naaga kwa n'iru igwa ha banyere nri nke mkpụrụobi. Na Jọn 1:14 anyị naagụ na "Okwu ahụ we ghọ anu-aru, bu madu, o we biri n'etiti ayi." Anyị naakpọ Baịbụl Okwu Chineke. Jisọs kwuru sị na okwu ahụ Ya Onweya gwaworo ha bụ mmụọ bụrụ kwa ndụ (Jọn 6:63).

Ọ bụrụ na anyị gaeri arụ ahụ ma ñụ kwa Ọbara Jisọs, anyị aghaghị ịnara ihe niile bụ Okwu Chineke, bụ Baịbụl. Anyị aghaghị ikwere na ya ma náadị kwa ndụ na ya, Iheoriri nke anyị naeri naenye anụarụ anyị ume ma náenyekwara anyị aka itóetó. Otú a ka Baịbụl naemekwara anyị n'ụzọ nke ihemmụọ. Ka onye ọ bụla nwereike ịdị ndụ nke mmụọ ọ ghaghị ikwere na Baịbụl, náeme ihe niile edere nime ya, wee kwere ka ọ bụrụ ihe náachị ndụ ya. Mgbe ọ bụla anyị naeri iheoriri, anyị naebu ụzo taa ya nkeọma, o wee baa nime afọ anyị, wee site n'ebe ahụ gazue arụ anyị niile, ya na arụ anyị ewe bụrụ otù. Mmadụ pụrụ **ikiri** iheoriri dị icheiche adọbara n'okpokoro, maọbụ buru iheoriri ụfọdụ n'onweya náejegharị, ma náánị ma o **riri** ụfọdụ nime iheoriri ahụ, ọ dighị urù ọ bụla ọ baara ya. Ọ pụrụ ịnwụ n'ihi agụụ n'ihi na ọ jụrụ iri iheoriri ahụ maọbụ na o lefuuru ha anya. Otù aka ahụ kwa n'ihe nke mmụọ, anyị aghaghị ime ka Okwu Chineke biri n'ime anyị ka o wee baara anyị urù. Edoziworo anyị nri ahụ (bụ Baịbụl). Mmadụ pụrụ iguzo naele anya ma ọ nwụrụanwụ nime mmụọ -- mgbe anaazọpụta ndịọzọ. O nwereike naebugharị Okwu ahụ n'aka ya náejégharị, náenweghị ndụ ebighịebi (amaokwu 53, 58). Mmadụ aghaghị ikwere na Baịbụl ka o wee nwee nzọpụta nọgide kwa ná nzọpụta ahụ. Mmadụ naadị ndụ site n'iri iheoriri, nke imemmụọ na nke anụarụ (amaokwu 57).

Dịka Ụmụ Israel chikọtara manna kwaụbọchị (Ọpupu 16:21), otú aka ahụ, OnyeKraist ọ bụla aghaghị iri ụfọdụ nri sitere na Baịbụl kwaụbọchị ka o wee dị ike náadị kwa ndụ nime mmụọ. Mgbe ọ bụla mmadụ kwụsirị iri iheoriri ọbụná otù ụbọchị, ọ dighị enwe ume maọbụ iru ọchị. Otú a ka mkpà nri nke mmụọ naakpá OnyeKraist ọ bụla kwaụbọchị. Ọ dighị onye ọ bụla naachọ ka ọ bụrụ OnyeKraist náadighị ike maọbụ OnyeKraist náarịaọrịa.

**Ịnwụanwụ Nime Mmụọ**

Mgbe Jisọs sịrị na ọ bụrụ na ị righị anụarụ Ya, ọ bụrụ kwa na ị ñụghị ọbara Ya, na ị nweghị ndụ nime gị (Jọn 6:53), ihe Ọ naakọwa bụ na ị gaabụ onye nwụrụanwụ nime mmụọ, ndị niile naadị ndụ nke mmehie nwụrụanwụ nime mmụọ (I Timọtị 5:6); kama ọ bụrụ na ha ekpee ekpere n'ihi mgbaghara mmehie, wee nwee okwukwe na Chineke, ha anwụghị kwa anwụ ọzọ kama ha naadị ndụ (Efesọs 2:1; Ndị Kọlọsi 2:13).

N'etiti ndị ahụ nụrụ mgbe Jisọs sịrị, Mu onwem bu nri nēnye ndu," ụfọdụ nime ha sịrị na okwu ahụ dị ike, ha enweghị kwa ike ime ihe Ọ sị ha mee.Ọbụná ụfọdụ ndị kpọrọ onweha ndị naesoụzọ Ya tamuru ntamù n'ihi okwu ahụ O kwuru. Ka onye ọ bụla nke naagụ iheọmụmụ a ghara ịdị ka ha, kama ka ọ nụrụ ịdọakanántị a. "Teta, gi onye nāraru ura, si kwa na ndi nwuru anwu bilie, Kraist ahu gāmukwasi kwa gi" (Ndi Efesọs 5:14).

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Ònye bụ Nri náenye Ndụ?
2. Gịnị mere eji kpọ Ya Nri náenye Ndụ?
3. Òlee ebe esi zite Nri ahụ náenye Ndụ?
4. Òlee ụzọ anyị gaesi nweta ya?
5. Gịnị ka Nri ahụ náenye Ndụ gaemere anyị?
6. Ugbò ole ka anyị kwesịrị iri Ya?
7. Gịnị naeme ndị jụrụ iri Nri ahụ náenye Ndụ?